
# IGBO CATHOLIC COMMUNITY OF NEW YORK, AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 6TH SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR A)

## SUNDAY, FEBRUARY 12, 2023

**HYMNS:**



**ENTRANCE:** ENWEREM AŇURI (K'ANYI JEE N'ULO CHUKWU

**OFFERTORY:** ONYINYE DI MMA/BIA JAA YA MMA

**CONSECRATION:** KRISTI UKOCHUKWU EBEBE

**COMMUNION:** AGA M EJE N'ALTAR

**POST COMMUNION:** O SACRAMENT MOST HOLY

**DISMISSAL:** ANYI NA-EKELE GI, NNEOMA

**EKPERE MMEGHE**

Chineke Nna anyi, ndi ji ezi obi na ezi okwu efe Gi ka I were ka ndi nke Gi. Biko nye anyi amara Gi, ka anyi na-ebi udi ndu ahu na-amasi Gi, ka anyi wee buru ndi kwesiri ekwesi ibata n'ebe obibi Gi. Site n'Onyenweanyi….

**IHE OGUGU NKE MBU SIRAK 15:15-20**

***Isi Okwu: E nweghi onye o bula O tiiri iwu ka o ghara ima Chineke***

O so gi, I nwere ike idebe iwu Chineke. Ime uche Ya bu ihube isi. Ihe e chere gi n'ihu bu oku na mmiri. Nke o bula I choro chee aka were ya. Ihe e chere mmadu n'ihu bu onwu na ndu. Nke o bula onye hooro, enye ya. Amamihe Onyenweanyi ebuka! Ike Ya puru ime ihe nile. O na-ahuzu ihe nile. Anya Chineke na-ahuzucha ihe dum O mere. O na-aghota ihe o bula mmadu na-eme. O nweghi onye o bula O na-edunye ka o mee njo. O nweghikwa onye O na-enye ike igha ugha.

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA 118:1-2,4-5,17-18,33-34 Az. 1**

***Aziza: Ngozi diri ndi na-eso iwu nke Onyenweanyi***

1. Ngozi diri ndi uta na-adirighi; ndi na-aga n'usoro iwu nke Onyenweanyi. Ngozi diri ndi na-edowe atumatu nke Onyenweanyi. Ngozi diri ndi na-edowe atumatu Ya; ndi obi ha nile na-acho Ya. ***Aziza***
2. I nyere iwu na a ga-eleru anya ala debechaa atumatu Gi nile. Ewoo! O di nnoo ka m guzosie ike n'iga n'okporo uzo iwu nke Onyenweanyi. ***Aziza***
3. Meere nwodibo Gi amara ka m bibe ndu wee na-edebe okwu Gi. Meghee anya m ka m wee tulee uche n'idi ebube nke iwu Gi. ***Aziza***
4. Onyenweanyi, kuziere m okporo uzo nke iwu Gi, ka m wee too anya n'ala debechaa ha nile. Nye m ike ileru anya ala ka m wee debe iwu Gi, biakwa were obi m nile debechaa ha. ***Aziza***

**IHE OGUGU NKE ABUO KORINT 2:6-10**

Isi Okwu: Amamihe bu akara aka Chineke ji kwanyere anyi ugwu tupu a too ntoala uwa.

Ma otu odi, anyi na-ekwu okwu amamihe n'ebe ndi tozuru oke n'ime mmuo no. Ma o bughi amamihe nke oge a, ma o bu nke ndi na-achi uwa taa, ndi amamihe na ochichi ha na-agafe agafe. Kama anyi na-ekwu okwu amamihe nke Chineke n'uzo di omimi, bu amamihe nke Chineke zonariri umu mmadu site na mbu, nke Chineke kara aka tupu e kee uwa na a ga-ekpughe ya n'oge a maka iwetara anyi otito. O dighi onye o bula n'ime ndi na-achi uwa n'oge a ghotara amamihe ahu. O buru na ha maara, ha agaralaghi akpogide Onyenwe ebube n'obe. Ma dika Akwukwo Nso si kwu: "Ihe anya na-ahubeghi, nke nti na-anubeghikwa: Ihe obi na-echeghi na o puru ime eme Ka Chineke dozirila ndi huru Ya n'anya." Ma o bu nani anyi ka Chineke kpugheere ihe omimi ndi a, site n'ike Mmuo Nso Ya. Mmuo Nso ahu n'Onwe Ya na-enyocha ihe nile, o buna ihe omimi nile di na Chineke.

Okwu nke Oseburuwa

Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA JON 14:23**

Aleluya, aleluya! Onye o bula huru M n'anya ga-edebe okwu M. Nna M ga-ahu Ya n'anya. Anyi ga-abiakwute ya. Aleluya!!

**OZIOMA MATIU 5:17-37 ma obu 5:20-22, 27-28,33-34,37**

***Isi Okwu: Unu anula ihe a gwara nna anyi ha. Ma leenu ihe M na-agwa unu.***

Jesu gwara Umuazu Ya si: [Unu echekwala na abiara M imebi iwu Moses ma o bu nkuzi ndi amuma. Abiaghi M imebi ya emebi; Kama abiara m imezu ya emezu. N'igwa unu eziokwu, ruo mgbe eluigwe na ala ga-agafere, o dighi otu ihe o bula di nta, o buna nke dikarisiri nta, nke a ga-esi n'iwu Chineke wepu, ruo mgbe e mezuru ha nile. Ya mere, onye o bula ga-emebi otu n'ime iwu ndi a, o buna nke dikarisiri nta, wee kuzikwaara ndi mmadu ime otu ahu, ga-abu onye dikarisiri nta n'alaeze eluigwe. Ma onye obula ga-edebe iwu ahu, wee kuzikwaara ya ndi ozo ime otu ahu, ga-abu nnukwu mmadu n'alaeze eluigwe.] Asi M unu, o buru na ezi omume unu akarighi nke ndi Ode-akwukwo na nke ndi Farisii, unu apughi ibanye n'alaeze eluigwe ma oli. "Unu anula na a gwara ndi mgbe ochie si: 'Unu egbula mmadu. Onye o bula gburu mmadu, a ga-ama ya ikpe, kwugbuo ya' Ma Mu onwe M na-agwa unu si: "Onye o bula buuru nwanne ya iwe n'obi a ga-ama ya ikpe. Onye o bula kporo nwanne ya 'Onye iberibe!' ga-aza aziza n'ulo ikpe. Onye o bula na-akpo nwanne ya 'Onye nzuzu' ga-eje n'oku ala mmuo. Ya mere, oburu na I weta oninye gi n'ihu ebe nchu aja, wee cheta n'ebe ahu na gi na nwanne gi adighi na mma, hapu onyinye gi n'ebe ahu n'ihu ebe nchu aja. Buru uzo jee ka gi na nwanne gi mezie. Unu dozisia, bia chee onyinye gi n'ihu Chineke. "Gi na onye gbara gi akwukwo, kpuru gi na-agaje ulo ikpe, mee enyi ngwa ngwa mgbe gi na ya ka no n'uzo; ka onye ahu gbara gi akwukwo wee ghara inyefe gi n'aka onye oka ikpe. Onye oka ikpe e wee duru gi nye ndi uwe ojii; ndi uwe ojii ewee tinye gi n'ulo mkporo. N'igwa gi n'eziokwu, I nweghi ike isi ebe ahu puta ma oli, ruo mgbe I kwuzuru ugwo nile i ji. "Unu anula na e kwuru si: 'A kwala iko', ma ana M agwa unu: 'Onye o bula lere nwanyi anya, ka aguu nwanyi ahu guo ya, akwasila ya ri iko n'obi ya. [Ya mere, o buru na anya aka nri gi na-akpatara gi idaba na njo, ghupu ya, tufuo! O kara gi mma itufu otu akuku ahu gi, karia idebe ya, a tunye ahu gi nile n'oku ala mmuo. O burukwa aka nri gi na-akpatara gi idaba na njo, gbupu ya tufuo. O kara gi mma itufu otu akuku ahu gi, karia idebe, a tunye ahu gi nile n'oku ala mmuo. "E kwukwara si, 'Onye o bula chupuru nwunye ya, ya nye ya akwukwo alukwaghi m.' Ma ana M agwa unu: Nwoke o bula gbara nwunye ya alukwaghi m, ma o bughi n'ihi na o kwara iko, na-eme nwanyi ahu ka o buru onye na-akwa iko. Otu aka ahu, onye o bula luru nwanyi kewapuru na di, na-akwa iko.] "Ozo unu nuru na a gwara ndi mgbe ochie, si: 'A nula iyi ugha, kama nyeghachi Onyenweanyi ihe I nuru n'iyi' Ma ana M agwa unu: A nula iyi ma oli. E jila eluigwe anu iyi n'ihi na o bu Oche Eze Chineke. E jikwala ala anu iyi n'ihi na o bu Oche Mgbakwasi ukwu Chineke. Ejila Jerusalem anu iyi, n'ihi na o bu obodo nke Eze ukwu ahu. E jikwala isi gi anu iyi n'ihi na I pughi ime ka otu ntutu isi gi di ocha ma o bu oji. Ya mere, ka okwu gi nile buru, "E--" mgbe I choro ikwu "E--" ma o bu "E-e" mgbe I choro ikwu "E-e". Okwu o bula kariri nke a si n'aka ajo onye ahu bu ekwensu.

Ozioma nke Oseburuwa

Otito diri Gi, Kristi.